# NTOLITE M NA EZI NA ULO NNE NA NNA M DIKA NWA AFOR IGBO CATOLIC: EBUM NA UCHE NA NSOGBU

**Given in Igbo Language (English Translation & Bio attached)**

***Ekele Na Nmeghe Okwu***

**Oha** na eze, ekele mu unu oo. Anam ekele onye isi na achikolata otu ICCUSA, Dr. Clement Anyadike, na ndi nile so ya n' ahu maka agam na ihu otu ICCUSA; anam ekelekwa Lolo Ngozi Ajawara bu onye n'afu maka umu okorobia n'agboghobia ICCUSA; Na otu aka ahu ka m na ekele Rev. Fr. Romanus Muoneke bu onye uko-chukwu na edu ndi ICCUSA, nke ana-akpo na oyibo Chaplin. Otu aka ahu kam na ekele ndi ukochukwu na ndi sista nile no ebea. Na uzo puru iche kam na ekelezi Dr. Paul Amechie, Sr. Tony Ikebudu na ndi nile nyere aka ifu na ihe ICCUSA na eme taa gara nke oma. Udo diri unu ma dikwara madu nile no ebe a.

**Aham** bu Chinyere Ohaya. Amurun na Atlanta Georgia, ebikwam na Atlanta; adim afor iri-na-isii; ano m na klas nke iri na otu, na ulo-akwukwo sekondiri, na Sandy Creek High School, Fayetteville, Georgia. Abukwam onye Umuduruoha, Amaigbo (ebe nne na nna m si), nke no na Nwangele L. G. A, Imo-State, Nigeria. Ka m na ekwu okwu na ebe taa, ndi Orlu Riginal Assembly USA, (ORA USA), National, kporo m kam bia Austin TX, na ahoputara m ibu onye aga enye ihe nke ana akpo na oyibo, New Generation Award, bu nke ha weputara maka umuaka ndi orlu, ndi na agba mbo na ulo akwukwo, na arukwa ezi oru na ihe ndi igbo, ya na omenala igbo, mana edebekwa iwu ezi na ulo. Ma dika ihe ICCUSA si dim na obi, mere mji hapu nke ahu kam nwee ike ino na ihe anyi na eme na ebea taa. Obi di m uto n'anyi nile bu umu unu biara ogbakor a. Anyi n'ele anya, na ahukwa, ihe unu n'eme. Ana atu n'ilu si, “NNE EGHU N'ATA AGBARA, NWA YA ANA ELE YA ANYA N'ONU”. Anyi ma

na obu ihe gbasatara okwukwe anyi nile, maka odi mma, n'oga ni'ihu ICCUSA ka anyi nile jiri zukoo na ubochi taa. Anam asi ka unu jidekwa ka unu ji.

**Isi okwu** m taa, gbadoro ukwu etu ezi na ulo m si azulitem dika nwa afor Igbo Catolic. Kam na eto, achoputara na onwere ihe puru iche etu ndi igbo Catolic si azu umu ha. Okwukwem na imata ihe gbasatara Chineke sitere na aka nne na nnam. Site na nwatam. Ubochi uka bu ubochi puru iche na ezi na ulo mu. Oge ufodu anyi jebe uka, mu na ummunne m, na emekari mkpotu, ma obu n'ako onu. Ihe nnam jiri kwusi anyi ime oke nkpotu, bu na anyi bidoro na aguzi akwukwo ozi oma nke ana-apko Bible na oyibo, ma anyi na aga uka. Na ulo uka, obughi madu ga agwa m gee nti n'ihe ogugu, na ihi na nna m ga aje mu na umunne m na-out, na-otu, ihe gbasatara okwu Chukwu nke ukochukwu kwuru ubochi ahu. Anyi na ejikwe ubochi uka atugharikwa uche na ihe ezi na ulo. Ihe ndia, na enym obi uto. Maka na, onweghi ihe dika nne na nna iweputa ohere kpasara umu ha nkata, gwukoritakwa egwu, ma obu kpekorita ekpere onu. Na ezi okwu, onwere ihe di iche etu ndi igbo-Catholic si azu umu ha, n'agbanyeghi obodo ebe ha bi. Amurum na Atlanta Georaia, n'azukwam ebe ahu, mana onabighi nne na nna m izum dika nwa afor Igbo Catolic. Nne na nnam bu isi ihe nile na ndum. Ha bidoro na oge n'agbazirim, nogidekwam na ihe ndi nke m na eme. Uzo ozo dikwa iche, na ozuzu ndi igbo catholic na nke Emerica bu na nwata mee ihe ojoo na Emerica, igaghi apia utari, ma obu kuo ya ihe. Na ezi na ulom, imee ihe ojoo, ma obu mee ihe aga eji apia gi ihe, iga anata utari. Ha ga ajukwa gi ma "ichoro ikpo ndi uwe ojii" ka ha enyere gi aka. Otutu ezi na ulo, ndi Igbo Catolic, na azu umuaka na uzo ha ga abara onwe ha uru.

Agum akwukwo bu ihe ozo dikwa oke mkpa na ezi na ulo igbo Catholic nkem si na ya. Na ina eme ofuma na ulo-akwukwo abughi so ihe nne na nna anyi choro inu. Ha ga aju gi etu isiri mee na ule akwukwo. Oburu na inwetaghi hancha, ha ajuo gi si, "ndi nke nwetara ha ncha, ha obu isi abuo?" Na ngota nke m, ha na eme ihe ndia ka anyi nwe ike igbasi mbo ike na ihe obula anyi na eme. Obu eziokwu

na oge ufodu, ona afu anyi ufu na ahu, mana nmanye ha na etu ha si ajalite anyi oge ufodu na emekwa k'anyi gbaa mbo karia ka anyi si eme na mbu. Okwere m ghota na ezi na ulo ndi igbo Catolic ejighi aguma akwukwu egwu-egwu. Nne na nna m kwenyere na "***kama iga nye nwata azu, nye ya ihe eji egbu azu, kuzikwara ya ka esi egbu azu, ka onwee ike ikwuru na ukwu ya."*** Ha mana ofu ihe oma ha ga emere anyi bu inyere anyi aka ka anyi nweta ezi mmuta, kwudosie ike na okwukwe anyi dika ndi otu Catolic.

Ihube isi, na isopuru ndi nne na nna anyi, ndi okenye, ma obu ndi toro anyi, bu otu na ime ihe ejiri mara ndi Igbo Catolic, na usoro ha si eme ihe, na ezi na ulo ha. Nwata isa nne na nna ya ma obu okenye okwu abughi ihe ana atu anya ifu, na aka nwa afor, onye Igbo Catholic; na ihi na, ona abu ihe nwute nyere ndi muru anyi ifu omume di otu ahu. Abia na isopuru ndi toro anyi, ma obu ndi ikwu na ibe anyi, ndi nne na nna anyi kuziri anyi k'anyi na akpo ndi toro anyi uncles na anties, iji wee gosi nsopuru. Etu esiri kowaram, onwere ka odi nwatakiri ikpo okenye, ma obu onye toro ya, ofuma, afa ya. Nne na nnam mekwara kam ghota ihe di iche na uncle ndi ime ulo, ma obu ndi umunne, nakwa uncle ndi nke anyi na akpo iji gosi nsopuru. Ya bu biko, ndi nne na nna, anam ario ka unu jisie ike KOWARA anyi bu umu unu ihe banyere uncles na anties, ka anyi mara ihe diche, marakwa ndi anyi na ha bu otu ime ulo, na ndi obu maka nsopuru k'anyi ji na apko ha uncle ma obu antie. Uzo ozo esikwe egosi nsopuru bu, na agam ebilitere okenye, ma obu onye ahu n'adighi na oche ka onora odu, ma oburu na oche ezughi. Ihe ozo nne na nna m na ekwukari bu na "ofu onye anaghi azu nwa". Nkea putara, na ndi ozo n'abughi ndi nne na nna anyi, nwere ike idu anyi odu. Ka anyi ghara isi na obughi ha mu anyi, ghara ige ha nti.

Agam emetukw aka na ihe gbasatara isonye na ogbako umu ndi Igbo Catolic. Onweghi mmuta furu oha. Otutu mgbe, onwere ihe ufodu m-na aga acho ime, mana nne na nna ga etinyem na ha. Na ikpezu, abiam ghota uru ihe ndia ahu bara m. Anam enye nne na nna nnukwu ekele, maka na ewezugha

otutu okwu, na etu ha siri nogidem, akaraghim ino, na ihe ndim no na ya ta, ma obu nwee ike idi na ekwuli okwu na oha. Ino na ihe ibe anyi na eme bara nnukwu uru.

***Imata Omenala Igbo***

Ndi igbo nwere etu ha si eme ihe puru iche. Agam eji obere akuko wee bido ya. Odi otu ubochi msoro nne na nnam jee ebe ndi umunne anyi na agba nkwu nwanyi (nke ana akpo na oyibo “Traditional wedding”) n’Atlanta ebe anyi bi. Oge anyi noduru ala n’oche, anurum ka otu nwoke n’akosara ibe ya si, “chaii! Eghu atam igu na isi, Etu a k’agara isi abia agbaram nkwu nwam nwanyi…” Onweghi ihe dika onye ghotara omenala Igbo ilu nwa gi. Imakwa na onye nke biara ilu nwam nwanyi, ihe izizi, na ekele ya bu “MAN, WHATSUP?” Etum siri ghota, ewere ihe puru iche na omenala igbo, ya na etu ha si eme ihe. Abiakwa na usoro ndi Igbo Catholic, ana agwakwa anyi na odighi mma nwokorobia na nwa agboghobia ibiri dika di na nwunye, ma obu muo nwa, mgbe ha alughi dika di na nwunye, gbaa akwukwo.

Ekike ma obu njike ndi Igbo dikwa iche. Agam eji onwem wee kowaa. Onwere udiri akwa nga eyiri oge ufodu, nne na nna m agaghi ekwe m yiri ya puo ezi. Oge ufodu, onaghi adiri anyi nfe ikwetacha na ihe ha kwuru, mana anm aghota na ezigbo nwa-afor onye igbo Catolic ekwesighi ihapu akwa, ma obu trauza oyi na ukwu ka onoro ya na ala ike, ma obu ome ya ona agbusi-agbusi. Nne na nnam na eleba anya na ihe m yi na ahu, tupu mu eje ebe obula. Oge obula anyi jikere njike na ekwesighi ka anyi jikee, ona eme ndi nne na nna anyi ihere. Dika nne na nnam gwagorom, ona egosikwa nwa na esighi na ezigbo ulo, ma obu nwa na anaghi ege nne na nna ya nti. Na obi nkem, ihe ufodu anyi na akpoghi ihe, bu ajo ihe na omenala igbo. Dika nne na nna m na echetara m mgbe nile, odi mkpa ka anyi ghara ichezo ebe anyi si puta. Ihe obula nke na enye anyi nsogbu ma obu anyi aghotaghi, ka anyi gbakwuru nne na nna anyi, maka na ha enweghi ike idufu anyi. Dika anyi nile ma, ototu mgbe ka anyi ga acho ime ihe eto osiri masi anyi, mana ona enwute anyi mgbe ufodu na ezi na ulo anyi si na ya agaghi

ekwe anyi mee ihe ndia ahu. Etum si gota omenala igbo, nwata ekwesigi ime enyi nwoke na nwanyi mgbe ona erubeghi ogo ya, na ihi na ihe nile nwere oge.

***Asusu Igbo***

Obu ihe afor ojuju nyerem na esom na ihe di iche iche ndi Nigerian Catholic community Atlanta (NICCA), ya na nzuko ICCUSA. Esom na ndi ukwe uka igbo, sorokwa nan di na ogu ihe ogugu na igbo, na enyekwa okwu (speeches) na ebe di iche ndi igbo na eme ihe, okachasi okwu ihe gbasatara asusu igbo anyi. Nne na nna anyi bu isi ihe nile. Odi mkpa na unu jidere anyi na oge mgbe anyi di ntakiri. Ka oghara ira ahu mgbe anyi bugoro. N'ihi na emee mgwa-ngwa, emeghara odachi. Achorom iji ohere a metukwa aka n'ihe gbasatara asusu Igbo. Anam ario ndi nne n'nna anyi, biko, ka unu n'asuru anyi Igbo na ezi na ulo anyi. Makana ana atu na ilu igbo si, "ka ejiri ututu chuwa eghu oji tupu chi ejie." Ufodu na ime anyi nwere ike isi na asusu igbo abughi asusu anyi maka ihi n'amuru anyi na Emerica. Kedu maka umu ndi Hispanic, amuru ha na Emerica, ha nile n'asucha Spanish na asukwa onyibo. Otu nwanyi onye ocha, onye America aha ya bu Frances W. Pritchett. gara muo etu esi asu ma na edekwa asusu Igbo. Aha Frances kporo onwe ya bu Nkiru. Frances bu odeakwukwo nke otu iwelite asusu Igbo na omenala igbo n'obodo Amerika. Ana akpo ya SPLICA- Society for promoting Igbo language and culture in America. Frances duru ndi Igbo odu, ka ha hu asusu ha n'anya ma na eji ya enwe mkparita uka, ka oghara inwu. Dika Frances kwuru, "onye tufuru asusu ya efuola" Chinua Achebe tukwara ilu na akwukwo ya si, onweghi onye ma echi, taa bu gboo. Oburu na nwabeke nwere ike imuta asusu Igbo, n'edekwa asusu Igbo, gini mere n'anyi bu umu ndi igbo Catolic agaghi amuta ya? Oburu na umu ndi Hispanic amuru na Emerica etu esiri muokwa anyi, na asu asusu nne na nna ha, gini mere n'anyi agaghi eji asusu igbo anyi kporo ihe? Uzo ozokwa anyi ga esi na amuta igbo bu idi na aga uka igbo. Ika uka na asusu igbo ekwesighi ime k'anyi kwusi ije uka, ma obu omee anyi akwusi ibanye na ogbakor umuaka ndi igbo Catolic no na ya. Ibanye na ihe ndia, ga enyere anyi aka idi na-amuta asusu igbo.

Tupu emechie m okwum, enwerem ajuaju ole-na-ole nga acho ka anyi tugharia na ime obi anyi banyere ihe gbasara olileanya anyi, na nchekwube anyi nile:

a. Kedu ndi ana ele anya n'aka ifu na oga na ihu Ikusa (ICCUSA) ga adigide?
b. Gini bu ebum na obi anyi nile banyere ikusa (ICCUSA)?
c. Gini bukwa ihe anyi ga eme ka ogbakor ikusa nwee ike isi n'aka anyi fere na aka umu-umu anyi?
d. Ndi nne na nna, kedu ihe anyi chere banyere asusu igbo na mkpa odi?

Ka anyi na ahapu ebea taa, k'anyi cheba echichi ihe gabasara ajuju ndia. Na aha ndi youth nile, anam ekele unu ncha.

***<u>Mmechi Okwu: Violin</u>***:

Na mmechi, ana m asi, ***K'anyi*** *jirinu onyinye anyi jebere Chineke ozi ebe obula anyi no. Ndi nne na nna anyi bu onyinye Chukwu, Ndi ikwu na ibe anyi bu onyinye Chukwu, Ka anyi si na ndi nne na nna anyi, jebere Chukwu ozi, k'anyi si na ndi ikwu na ibe anyi nwere jebere Chukwu ozi. Onyinye Chukwu di, na iche na iche, gba mbo, mara nke Chineke nyere gi, k'anyi were ya, umunnem, jebere Chukwu Ozi…*
*Ka Chukwu gozie onye obula. Ndewonu ooo.*